**NARANUM RIE**

CHORUS:

Umu Chineke nara nu M; nara M rienu; Naranu M nuo nu; naranu M nuo Obara Dinwenu. Nri n'enye ndu; ndu ebighebi, nri ndi Mmuo Ozi, Nri si n'igwe gbadata/ O bu Kristi n'akpo gi bia. Nwanne m bia, Kristi n'akpo gi, nwanne m bia Onyenweanyi n'akpo gi. Naranu M rie nkea bu Ahu Mo, naranu M nuo nkea bu Obara Mo; Nwanne m bia rie nri si n'igwe gbadata, Iko Ngozi, Obara Dinwenu!

1. Chukwu Nwa si n'eligwe bia n'uwa. O Jesu Kristi. Otara ahuhu, Onwuru onwu n'ihi mu na gi (O lara n'igwe). Tupu O lakwuru Nna Ya, Jesu mer'Onwe Ya Achicha nke ndu; Achicha si n'igwe, Nri n'enye anuri ebighebi (Jesu n'akpo anyi)…..Chorus
2. (Ahu m bu ihe oriri; Obara M bu ihe onunu)nke a bu okwu nke Dinwenu; Onye obula; onye obula; onye obula nke riri Ahu M; Onye obula onye obula onye obula nke nuru Obara M, g'enwe ndu. Onye ahu g'enwe ndu n'ezie, ebighi ebi; Jesu n'akpo anyi….Chorus

3. (Jesu Achicha di Nso)x2 (Jesu I di Nso: BASS) x2 and continue in background while SOP comes in:
   (Sop): Oge nna nna anyi ha no n'ozara. Chukwu nyere ha achicha si n'igwe n'udi manna.  Man'ugbua n'oge nke anyi, Chukwu nyere anyi Nwa Ya Jesu Kristi Achicha di ndu. Jesu Onye nzoputa; Jesu Nwaturu ejiri chu aja; Jesu Onye kpochapuru njo mu na gi n'akpo gi…..Chorus